# 9

## AKANKA RAY C. ANENE. N' IDUUAZI YA GA

NKE

**MMOO, LUKE C.**

**NDUBATA**

*Akwukwoa na eleba anya n'akanka odee bu Ray C. Anene jiri dee. N'ime nkea, o nyochara akanka ndị a dika ha putara ihe n'oru ya n'otu n'otu. O gakwara n'ihu gosi ihe koatara odee jiri were akanka ndị a dee iduuazi ya. Ewezuga nke a, o gosikwara ndị odee ha na odee a na-atule oru ya nwere otu udi akanka n'ufodụ ebe tinyere ebe nke odee puru iche pamkpam.*

**NKOWA QMỤMỤ AKANKA**

Na Bekee, ihe a na-akpo ya bu'Stylistics', nke na-amụ 'Style'. Omụmụakanka bụ "omụmu ctu odee siri jiri asusu" ruo oru n'edemede ya O na-eleba anya n'akanka ndi a na-ahuta nedemede ya, ndị e nwere ike ikwu na e ji ha mara ya. Na nkowa Cambridge Advanced Learners Dictionary, omụmuakanka bụ imụ akanka e ji ruo oru n'asusu. Nwadike (1992) na-akowa omumu alkanlka dika "Sayensi nke na-achoputa usoro e si ede agumagu" O bu usoro e si enyoputa etu odee nke amaobu nke ozo si ede ihe.

Niga n'ihu, etu mmadu si agba mgba ka a na-akpo aka mgba onye ahu; etu mmadu sikwa agba egwu ka a na-akpo aka egwu onye ahụ. Etu a ka o dịkwa maka igba bọolu, igu egwu, ikpuite, itu ihe otutu, iru ulo d.g.z. Ya bu, ihe obula ana-eme enme n'uwa a nwere etu udị mmadu d iche iche si eme nke obula, n'uzo nke ya onwe ya. Omumuakanka na-elebanye anya "'n'uzo nke ya onwe ya ahu' nke odee si ede edemede maọbu agumagu ya.

**AKANKA RAY C. ANENE**

E nwere ike isi na Ubesie mutara Anene, ebe Anene n'onwe ya mutazirị Ofomata nagumagu lgbo. Nihi nke a, o gaghị atu anyi n'anya ma anyi huta akanka gbara elu n'orụ Ubesie ahaputakwara ihe na nke ndi na-esote ya, tumadi nke Ray C. Anene. N'ezie, o nweghi odee ga-kwupulin onwe ya, na -enweghi mmetuta ndi odee ibe ya. Dika Achebe bidoro udị agumagu ce ke gbadoro ukwu n'omenaala, agumagu onu na ewumewu ndi, isi ojii otutu bịakwa soro puru ya, Ubesie mekwara ihe yiri nke a gbasara ikpokoju ilu na ukabuilu ndi Igbo n'agumagu ene na ndị ozo kwa biazia soro ya. Ka O na-ede maka Achebe, Emenyonu (1978) nwere aikwu'Elee anya ofuma n'iduuazi ufodundi lebo dere na Bekee ahuta nñomi putara ihe nke hañomiriakanka agumagu Achebe n' lhe Aghasaa"

N'ebe Anene no, ikpokoju ilu n'agumagu ya putara ihe nke oma. llu, asinilu ndị a dabakwaa adaba nke oma. Ozo, o kwere ghota na ewezuga si a Anene (akanka) Ubesie dika osi gbasata iwunye ilu n'agumagu igbo, ihe ozo bukwa ezikokwu bu na Anene na-etinye ilu n'uzo ndian'agumagu ya n'ihi na o bu uzo. a zuru ya niie ya. Ilu, dika Achebe na-agwa anyi, bụ mmanu ndi lgbo ji eri okwu. Ebe Anene by nwalo lgboazhe n'ala Igbo, o ziri ezi na ka o na-ako akuko ya, na o ga na-ekponye ilu na ya iji choo ya tmma a ka Emenyonụ (1978) gbakwara ama ya oge o na-ekwu:

"Enwebuolari echiche ga-ekwe nnagide na ndi odee lduuazi ndi lgbo keggbaraohun ede n'ukpuru aromaro lgbo n'ihi na na ha dum kekoro oken'otu agurnagy oiu pury iche’’

Oke ndi a ndi o dee agumagu Bekee bu ndi 1gbo kekoro rutekwata ndi odee agma nasusu lgbo. Bido na mkpuru onye kuru, bata n'Oja Dufuo Dike wee gaa nOzuiolo. Osikaie ihu nkebi edemede otu ilu maobu karia adighị na ya.

Akanka ozo gbara elu n'iduuazi Anene bu ibido akuko n'isi were koro gaa, tmgbe ufodukwa, o konye ihe ndi mere tupu akukoo na-ako ebido. NOzuejiofo, o koto rmaka ndyma Udem na nwunye ya bụ Chienyem na mbido. Nakuko Oja Dufuo Dike, o koo maka Uwadime Akametalu na Nwoye Akametalu, umunne abuo na mbido. A bịa na Mkpuru Onye Kur, ka ikowagodu maka Onyekwere bụ agwa ukwu no n'akuko ya, o gara na ndu nne na nna ya be Nkechi na Onyema, ndị adighị mkpa maka agumagu ya ima mma. Ibido akukonisi etu ana at mma mana o na-akacha mma ma odee ghara ikowa ogologo akuko gbasara agwa ndi aoi mkpa nagumagu ahu; na a kporo ha aha ezuola. Nke a bụ nihi na lkowa maka ha name agumagu alhu ka o na-anyi aro igu. Mana a kochara ha akochara, magbu kwanu gaa n'etiti al weta emereme putara ihe ofuma, o ga-adoro obi ndị mmadụ ka ha gury na-aga ijs matazia I butere ihe ahu mere na mbido na kwa ihe meziri n'ikpeazu.

Dika Ubesie, akanka Anene ozo bụna o naghị enwekawa mkparítauka n'jduuazi ya. lhe, na-eme bụ na okọ ka o machaara na-eji onu ya kowaa ihe agwa obula mere mnaobu kwuru buru na o na-ahaputu ka agwa ndia kparitan'olu nke ha, o kaara ika mma. n'ihí na dika Marj Boulton (1954) na-ekwu "Mkparitauka na-eme ka anyi huta agwa obula n'etu ha si em okwu". A na-ejikwa okwu di etu a wee na-echeta agwa ndi a oge o teela aka a guru a ndi a. Ima atu. Lee ngozi Omemagboji goziri nwa ya bu Omenuko "ka ihe dikwara gi m ndi gi fekwaagi ofufe dika i fere m! Gaa nke oma" Maobu akwa omenuko kwara "Obasi din kedu ihe i jiri mee m odi ndụ onwu ka mma?". Onye obula guru akwukwo Omenuko na-ndi, a echeta agwa abuo ndi a.

E wezuga ihe ndi a dị n'elu, Anen, edika Ubesie, anaghi arutu aka n'okirikiri ebe ai no mee. Ima atu. O naghi ekwu ka ihu igwe di: ma anwuO na-acha ka mnmiri a na-ezumm iche iche. Ihe dị ka uya nnụnu na nke umu anumanu ndi ozo kwesikwara ka a rutu ha aka. Emume a na-eme magbu oke ihe mere n'oge ahu kwesikwara ibata nakuko, Mgbe o m o ga-enye aka ikpu onyinyo ebe akuko ahu dị mee n'ime obi ndi na-agu ya, ma mee ka ba na o bu n uwa nro ka ha no. Ihe ndia ka a na-akpo iko irighiri akuko na nkowa.

O bughi Ihe ohuru ndi odee lji agumagu ha wee kuzie ezi akparamagwa. Dika U.R (1991) na-ekwu:

*Otutu ndi amunamu na ndi rnyocha edemede Achebe na-ekwupu, dika Achebe n'onwe ya na-eme kwa odidi inye nkuzi nke oruya Bido n'Ihe Aghasag wee ruo na* <u>*Mkpu nke Savana*</u>*. Isi sekpu nti n'nye nkuzia bu ebumnobi Achebe nke o kwuputakwara ichekwa oru odinaala e jiri mara oko akukon'otutu obodo ndi isI ojii dika onye na-ewulite ewumewu na odinaala ndiya na kwa okwusa amamihe nke na na-adigidide ire, nke, oburu na obodo enweghi, o laa n'iyi*

Nihi nke a, o tughi anyi nanya na Anene jikwa akuko ya ato ndia wee na-akuzi na Ome mma na mma yi ala ebe ome njo na njo yikwa ala. Elee anya na ndụ Amenso n'akuko Oguejiofo. a ga- achoputa na Anene gosiri etu mbibi onye mmehie si abia n'ikpeazu. Ka Amanso kochara uko nile juru ya isi ma ruchaa ala niile o ruru, e gburu ya n'ikpeazu ma weghachikwa obodo Ohaoma nonodu ya na mbu, ma mekwaa ka O zaa aha ya ofuma (ohaoma-obodo mara mma).

A bia na Mkpuru Onve kuru. Onyekwere biri ajo ndụ nke mpako na enweghi nsopurụ butekwara ya nsogbu na mbu, ma ka o mechara chegharia, ihe bidoro diwoara ya na mma.

Nakuko Oja Dufuo Dike, Nwoye Akumetalu na Obiageli (obi) enweghizi ohere icheghari nihi na ka oja dufuru ha, ha nwuziri onwu lhere (Obij tụrụ mmiri, mmiri erie ya, ebe Nwoye Alametalu ka arusi gburu). Mana n'ebe Kasie no, O tara ezigbo ahuhu ma mechaa buru onye mmeri n'ikpaezu.

Nezie ikpokoju ilu niduuazi ya abughi ebe Anene kwusiri niji ilu Igbo wee ruo oru: aha iduuazi ya nile buchakwa ilu n'otu n'otu - ilu na-akowa ihe mere nime akuko ndị ahụ. Ya bu, aha nile o nyere akuko ya dabara ofuma ma a tulee ihe mere n'akuko ndị a. Q si anyi, Oguejiofo, nke bu akuko gbasara ogu nwoke aha ya bu Oguejiofo na ndi Obodo Ohaoma jiri ofo wee luso Amanso, onye aruru ala, ma merikwa ya.

Na nke na-esote ya ka o na-ekwu si <u>Oja Dufuo Dike</u>.. mmeju ya aburu, "0 lakpuokwa n'akpa" Oja Dufuo Dike bu akuko gbasara etu oja siri dufuo dike abuo: Nwoye Akametalu na Objageli ma lakpuokwa nakpa. Nakuko a, Oja dufuru Nwoye bu Okoye Omicha ebe nke dufuru Obiageli bu Ngozi (Ngoo). A bia na Mkpuru Onye Kuru, Anene a na-ekwu dika Akwukwo nso na-ekwu, na OgDu mma na-ala na mma. Akuko a gbasara nwa Okoro aha ya bu Onyekwere, onye kugidere ajo puru, ya bu, kpagidere ajo agwa wee si n'ogaranya wee banye n'ogbenye onuntu; O ghooro ajo Thkpuru O kuru. Mgbe o mechara chegharia, mewe ezi omume, maobụ kụwa ezi mkpuru, ihe diwaara ya na mma, O wee ghorokwa ezi mkpuru n'ikpeazu.

Na nchikota, Anene Ray C. gbaliri nikeputa Iduuazi ato ndi banyerela n'onuogugu akwukwo ndị na akwalite asusu na omenaala Igbo. Na mgbati ya, o keputara agwa dị iche iche, ekokwara ihe onu e wee nwee ike isinihe ndi. a wee choputa akanka o lee na o le o jiri dee ndj a. Oga-adikwa mma ma e nyochaa akwukwo ndi a gaa nihu.

**EDENSIBIA**

Anene, Ray C. (1988) Mkpuru Onye Kuru Enugwu-Ukwu Raymac Educational Publishers

Anene, Ray C. (1991) Oja Dufuo Dike Enugwu-ukwu, Raymae Educational Publishers

Anene, Ray C. (2000). Oguejiofo Enugwu-Ukwu Raymae Educational Publishers.

Boulton M. (1954) The Anatomy of Prose. London Routledge & Kegan Paul.

Emenyonu, E. (1978) The Rise of The lgbo Novel lbadan: Oxford University Press.

Nwadike, I.U. (1992) Ntoala Agumagu lfunanya Publishers Nigeria.

Ojinmah, U.R. (1991). Chinua Achebe: New Perspective. Ibadan: Spectrum

Cambridge Advanced Learners Dictionary (2003).